# IWU IRI AHỤ

## Ọpupu 20:1-17

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 61 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI : "Unu echela na abiaram imebi iwu Chineke ma-ọbu ndi-amuma-Ya; abiaghm imebi, kama imezu ya" (Matiu 5:17).**

**I "Gi enwela chi ọzọ tiyerem.**

**II "Gi emerela onwe-gi arusi apiri api ma-ọbu oyiyi nke udi**

**I ọ bula nke di n'elu-igwe n'elu, ma-ọbu nke di n'uwa n'okpuru ya ma-ọbu nke di na miri n'okpuru uwa; gi akpọla isi ala nye ha, efe-kwa-la ha òfùfè, n'ihi na Mu onwem, bú JEHOVA Chineke-gi, bu Chineke ekworo, nēwere ajọ omume nke ndi bu nna leta umu ha, leta umu-umu nke atọ, leta kwa nke-anọ, nke ndi nākpọm asi; ma anamemere nnù umu-umu abua n'ọgu iri ebere, bú nke ndi nāhum n'anya, nēdebe kwa ihe nile M'nyere n'iwu.**

**III "Gi eburula aha JEHOVA, bú Chineke gi, ime ihe efu; n'ihi na JEHOVA agagh-agu onye nēburu aha-Ya ime ihe efu n'onye ikpe nāmagh.**

**IV "Cheta ubọchi-izu-ike, ido ya nsọ. Ubọchi isi ka i gālu-ọlu, je ozi-gi nile: ma ubọchi nke asaa bu ubọchi izu-ike nke JEHOVA bú Chineke-gi nwere i gagh-eje ozi ọ bula nime ya, gi onwe-gi , na nwa-gi nwoke na nwa-gi nwayi, na orù-gi nwoke, na orù-gi nwayi na anu-ulo-gi, na ọbia-gi nke nọ nime ọnu-uzọ-ama-gi ọ bula: n'ihi na n'ubochi isi ka JEHOVA mere elu-igwe na uwa, na oké-osimiri, na ihe nile nke di nime ha, Ọ we zuru ike n'ubọchi nke-asa: n'ihi nka ka JEHOVA gọziri ubọchi-izu-ike, do kwa ya nsọ.**

**V "Sọpuru nna-gi na nne-gi: ka ubọchi-gi we di anya n'elu ala ahu nke JEHOVA, bú Chineke-gi, nēnye gi.**

**VI "Gi egbula madu.**

**VII "Gi akwala iko.**

**VIII "Gi ezula ori.**

**IX "Gi agbala àmà ugha megide madu ibe-gi.**

**X "Gi enwela anya-uku n'ebe ulo madu-ibe-gi di, gi enwela anya-uku n'ebe nwunye madu-ibe-gi nọ, ma-ọbu n'ebe orù-ya nwoke nọ, ma-ọbu n'ebe orù-ya nwayi nọ, ma-ọbu n'ebe ehi-ya di, ma-ọbu n'ebe inyinya-ibu-ya di, ma-ọbu n'ebe ihe ọ bula di nke madu-ibe-gi nwere."**

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Nhazi a ahaziri Ọpupu 20:3-7 bụ nkewa nke akụkụ Akwụkwọnsọ ahụ anyị maara nkeọma bụ́ nke anaakpọ **Iwu Iri** ahụ: "JEHOVA we si n'etiti ọku ahu gwa unu okwu: ọ bu olu Okwu ka unu onwe-unu nānu, ma ọ digh udi unu nāhu anya; nání olu. Ọ we gosi unu **Ọgbugba-ndu-Ya,** nke Ọ nyere unu iwu ime, bú **iwu iri** ahụ; Ọ we de ha n'elu mbadamba nkume ahu" (Deuteronomi 4:12, 13).

### Iwu ahụ Niile nke Mkpị sị aka Chineke Dere

Ọ bụ ezie na "ihe ọ bula edeworo n'Akwukwọnsọ bu ihe si n'obi Chineke puta," ma nke a bụ otù akụkụ nke Chineke dere n'Onweya: "Mgbe Ọ kpayesiri Moses uka n'ugwu Sainai, Ọ we nye ya mbadamba nkume abua nke ihe-àmà ahu, bú mbadamba nkume, nke ewere nkpisi-aka Chineke de ihe n'elu ha" (Ọpupu 31:18). Inye Iwu Iri ndịa dị nnọọ óké mkpà nke mere na àmụ̀mà, ègbèeluigwe, ụ̀dà opiike, na anwụrụọkụ na ọkụ so ya bịa nke mere ka Moses na Ụmụ Israel maa jijiji, dịka anyị mụtara n'iheọ̀mụ̀mụ̀ nke garaaga. Iwu Iri ndịa bụ kwa **ọgbụgbandụ** nke Israel na Chineke gbara mgbe ha sịrị, "Ihe nile JEHOVA kwuru ayi gēme ya" (Ọpupu 19:8). Eji kwa okwu ndịa malite Iwu Iri a: Chineke we kwueokwu ndịa niile, sị, "Mu onwem bu JEHOVA Chineke-gi, Onye mere ka i si n'ala Ijipt, n'ulo ndi-orù, puta." Nnapụta ahụ esi n'Ijipt nápụta Israel, dịka anyị mụworo, naegosi onyinyeamara nke igụ mmadụ n'onye eziomume. Ya mere, mmalite okwu ahụ, pụtara na idebe Iwu niile nke Chineke bụ́ ọgbụgbandụ mmadụ na Chineke naagba mgbe agụrụ onye ahụ n'onye eziomume. "Onye ihe nāgara nke-ọma ka madu ahu bu nke nējegh ijè na ndum-ọdu ndi nēmebi iwu, nke nēguzogh kwa n'uzọ ndi-nmehie, nke nānọgh kwa n'ọnọdu ndi nākwa emò. Kama n'iwu JEHOVA ka ihe-utọ ya di; ọ bu kwa n'iwu-Ya ka ọ nātughari uche ehihie na abali" (Abù Ọma 1:1, 2).

### Ihe ahụ Enyere N'Iwu bụ Ihe Dị Mkpà nke Iwu ahụ

Iwu Iri ndịa -- maọbụ Iwu nke Chineke -- bụ nnọọ ihe dị elu karịa ịbụ náánị akụkụ Iwu ahụ Chineke nyere site na Moses n'elu Ugwu Sainai. Iwu Iri ahụ bụ nnọọ isi okwu nke Iwu ahụ n'onweya, bụ́ ụkpụrụ dị icheiche nke emere ka ọ saa mbara, bụ́ nke akọwakwara site n'iwu náachị obodo na nke ememe, bụ́ nke enyere nime akwụkwọ niile nke Moses nke ndịamụma kụzikwara.

Nime Iwu Iri ahụ, dịka edepụtara ma kọwakwa ha nime Baịbụl, ka anaahụta ihe niile gbasara akụ̀kụ̀ niile nke ndụ, bụ́ nke chéré onye Chineke iru n'ụzọ ya niile n'ụbọchị, "n'idebe ha ka ọkpukpu-ọlu riri nne nāputa." Debe

Iwu Iri ndịa, ka i “we di ndu uche zuru òkè na nke nsọpuru-Chineke n’oge di ugbu a.” Lee ụdị échìchè ọma dị ebube nke a bụ! na okwu olenaole ndịa, náadịghị ogologo, nke apụrụ ịghọta nkeọma, nke pụtara ìhè, dị kwa mfé, ma bụrụ kwa ihe akọnauche onye ọ bụla naachọsiike, bụ njikọta na ihe niile dị nime Iwu niile Chineke nyere. Nke a n’ezie, bụ ihe mere eji buru ụzọ nye Iwu Iri ahụ tupu enye iwu niile ọzọ n’elu Ugwu Sainai.

Chineke enyeghị kwa náánị ndị Israel Iwu Iri a niile, kama nye mmadụ niile. O nyere ha, ọ bụghị dịka náánị ihe dị mma, dị elu nke mmadụ gana ekiri mma ya, kama dịka iwu nke ganaachị ndụ nke enyere mmadụ ịña ntị. Akụzikwara ya nkeọma nime Testament ọchie na Teatament Ọhụụ. “Iwu ahu di nsọ n’ezie, ihe enyere n’iwu di kwa nsọ, zi kwa ezi, buru kwa ezi ihe” (Ndi Rom 7:12). Onye ọ bụla ikpé imebi iwu a mara ka ikpé mmehie mawokwara na ihe niile nke ọ ná aghaghị iweta, bú ahụhụ ebighịebi, n’ihi na “nmehie bu kwa nmebi-iwu” (I Jọn 3:4). Ọzọ kwa anyị naagụ n’ihe Pọl dere, “N’ihi na ka ha ra bú ndi mehiere nēnwegh iwu, gāla kwa n’iyi nēnwegh iwu: ka ha ra kwa, bú ndi mehiere n’okpuru iwu, agēsite n’iwu kpe ha ikpé” (Ndi Rom 2:12).

**Ekpughere Ikpé Dị Icheiche na Ebere nke Chineke nime Iwu ahụ**

Otú a Iwu dị nsọ nke Chineke naekpughe ikpé Ya niile, dịka egosịrị ha site n’àmùmà, na ègbèeluigwe, na opiike na anwụrụọkụ na ọkụ na Sainai, nke mere ka Israel maa jijiji. Ma anyị agaghị arapụ itò aha Ya n’ihi na Ọ bụ kwa Chineke nke ebere. N’ihi nke a, ụzọ mgbapụ dị nye onye ahụ ikpé imebi Iwu Ya mara. Nwa Adam ọ bụla site ná njehie nke mbụ ahụ nime Ubi Iden agbara ogige gaa n’iru, ka ikpé mmebi Iwu Ya mara. “N’ihi na madu nile emehiewo, ha adigh eru kwa otuto Chineke” (Ndi Rom 3:23). Ya mere, mgbe Chineke si n’Ijipt dupụta ndị Israel, O nyere ha nwaatụrụ ngabiga nke etesara ọbara ya n’ofiere ụzọ na n’awara ụzọ abụọ nke ebe obibi ha niile; Chineke wee sị, “Mgbe M’huru ọbara ahu, M’gāgabiga unu.” Jọn onyeọwụmmiri gosịrị ihe nwaatụrụ ngabiga ahụ pụtara mgbe ọ naeguzo n’akụkụ osimiri Jọdan, mgbe ọ naatụ̀ otù Onye ahụ ọ hụrụ, nke náabịakute ya aka, wee tie, “Le Nwa-aturu Chineke, Nke nēbupu nmehie nke uwa” (Jọn 1:29). Otú ahụ kwa ka ịchụàjà niile nke òfùfè nke ụlọikwuu nke ewuru n’ọzara naatụ̀ Ọkpara Chineke aka, bụ́ Onye “biara ichọ na izọputa ihe nke furu efu.” “N’ihi na ihe iwu ahu nāpugh ime, nke ọ nādigh ike nime ya site n’anu-aru, Chineke mere, n’ihi na Ọ mara nmehie ikpé n’anu-aru, mgbe O zitere Ọkpara nke aka Ya n’oyiyi nke anu-aru nmehie na dika àjà achuru n’ihi nmehie ka ihe iwu ahu guru n’ihe efu ziri ezi we mezue nime ayi, bú ndi nādigh-eje dika anu-aru si chọ, kama dika Mọ Nsọ si chọ” (Ndi Rom 8:3, 4).

Ya mere na ọ pụtara ìhè nkeọma na Chineke duru ndị Israel rue n’Ugwu Sainai náánị iji nye ha Iwu Ya ka ha wee jee ijè nime ya. Nke a ka ha kwekwara ime mgbe ha sịrị, “Ihe nile JEHOVA kwuru, ayi gēme ya.” Ma “ndi Israel nile we nāhu égbè-elu-igwe nile na ire-ọku nile, na olu opi-ike ahu, na ugwu ahu ka ọ nākwu anwùrù: mgbe ndi ahu huru ya ha we ñaghari, guzo n’ebe di anya. Ha si Moses, gi onwe-gi, kpayere ayi ukà, ayi gānu kwa: ma Chineke akpayerela ayi ukà, ka ayi we ghara inwu” (Ọpupu 20:18, 19). Otú ahụ ka ndị Israel siri laghachiàzụ̀ site n’ebe Chineke nọ wee ghara iru ọkpụkpọ̀kù dị elu nke Chineke, nke bụ óké ihe ọjọọ. Ha mehiere Iwu Ya wee mebie kwa ọgbugbandụ ha na Chineke gbàrà, JEHOVA wee jụ ha n’ikpéazụ̀. “Ma onye ezi-omume nkem gēsite n’okwukwe di ndu: ọ buru kwa na ọ gēwezuga onwe-ya, ihe ya adigh nkpuru-obim ezi nma” (Ndi Hibru 10:38).

**Iwu Edere N’Obi**

N’oge Jeremaia, mgbe ọ dị ka enweghị otú agaesi gwọta ndaghachịàzụ̀ nke ndị Israel, JEHOVA, mgbe O si n’ọnụ onye amụma ahụ náekwuokwu, sịrị, “Le, ubọchi nābia, (ọ bu ihe si n’ọnu JEHOVA puta), mgbe Mu na ulo Israel na ulo Juda gāgba ọgbugba-ndu ọhu: ọ bugh dika ọgbugba-ndu ahu si di nke Mu na ndi bu nna ha gbara n’ubọchi M’jidere ha n’aka ime ka ha si n’ala Ijipt puta, n’ihi na ha onwe-ha mebiri ọgbugba-ndum ahu … N’ihi na nka bu ọgbugba-ndu nke Mu na ulo Israel gāgba mgbe ubọchi nile ahu gasiri, (ọ bu ihe si n’ọnu JEHOVA puta); M’gētiye iwum n’ime-ha, ọ bu kwa n’obi-ha ka M’gēdekwasi ya dika n’akwukwọ; M’gābu-kwa-ra ha Chineke, ha onwe-ha gābu-kwa-ram otù ndi” (Jeremaia 31:31-32). Pọl Onyeozi n’Akwụkwọozi o degaara ndị Hibru kwukwara okwu ndịa (Ndi Hibru 8:8-10), wee náakọwa na **Ọgbụgbandụ Ọhụụ** a bụ Oziọma nke Onyenweanyị Jisọs Kraist webatara n’ụwa, mgbe ahụ ka **Ọgbụgbandụ Ochie** agbara n’Ugwu Sainai ji bụrụ ihe ewezugara (Ndi Hibru 2:13). Onyeozi ahụ naaga kwa n’iru ịkọwa na iwu Chineke ahụ ka anaedeba nime obi mgbe mmadụ nwere onyinye amara nke odudonsọ: “Mgbe ahu ka Ọ siworo (Jisus Kraist), Le abiawom ime ihe I nāchọ, O Chineke. Ọ nēwepu nke mbu (Ọgbugba-ndu) ka Ọ we me ka nke abua (Ọgbugba-ndu) guzo. Ọ bu kwa n’ọchichọ a ka edoworo ayi nsọ site n’iche aru Jisus Kraist n’iru Chineke dika àjà nání otù mgbe” (Ndi Hibru 10:9, 10). “N’ihi nka Jisus, ka O we site n’Ọbara nke Ya onwe-ya do ndi nke Ya nsọ, Ọ hu-kwa-ra ahuhu n’àzù ọnu-ụzọ-ama nke obodo” (Ndi Hibru 13:12). Ma dịka esiworo kọwaa ya n’iheọ̀mụ̀mụ̀ garaaga, ekpugheere uche Chineke n’iwu Ya. Mgbe ahụ edozuru mmadụ nsọ; ka anaebibi akàrà nke njọ ekèrèụwa (Ndi Rom 6:6), ewe dee iwu Chineke n’obi onye ahụ. Mgbe ahụ idebe ihe ahụ enyere n’iwu Ya ewee dị mfé karịa.

Mgbe Chineke kpọtara ndị Israel n’Ugwu Sainai, Ọ gara idowo ha rịị nsọ, dee kwa iwu Ya n’obi ha niile, kama ha daghachịrịàzụ̀ wee ghara ịzá ọkpụkpọ̀kù-Ya ahụ dị elu. Ma ugbu a, anyị onweanyị nọ n’oge ọgbụgbandụ ọhụụ mgbe anaadịghị ede kwa Iwu n’elu mbadamba nkume, kama n’obi. “Ya mere, umu nnam, ejim obi-ebere nile nke Chineke nārịọ unu, ka unu che aru-unu n’iru Chineke, dika àjà di ndu, di nsọ, nke di Chineke ezi utọ, nke bu ikpè

ekpere unu dika uche si di. Unu ekwe-kwa-la ka unu yie ajọ oge a: kama ka enwogha unu site n'ime ka uche-unu buru ihe ọhu, ka unu we nwaputa ihe bú ihe Chineke nāchọ, bú ezi ihe nke di kwa Ya, ezi utọ nke zu-kwa-ra òkè" (Ndi Rom 12:1, 2).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị bụ akụ̀kụ̀ mbụ nke Iwu ahụ agaenye na Sainai?
2. Òlee otú agaesi ji Iwu Iri ahụ tụnyere iwu niile ọzọ?
3. Òlee ụzọ nkera atọ nke iwu niile nke Testament Ochie naeguzo iji mata ha dịka ụdị ha si dị?
4. Òlee otù nime nkera nke Iwu Iri ndịa bụ ụdị ya?
5. Òlee otú iwu anọ mbụ si pụ ichè site n'iwu isii ọzọ nke náesote?
6. Gịnị bụ iwu ukwu abụọ nke Jisọs nyere nke Ọ sị na ọ bụ n'elu ha ka "iwu dum, na ndi-amuma Chineke, nēkokwasi"?
7. Gịnị mere Ụmụ Israel ji bụrụ ndị náenweghị ike idebe ihe Chineke nyere n'iwu?
8. Gịnị bụ mkwádobe Chineke mere maka idebe Iwu Ya?
9. Gịnị bụ ụdị nke mkwádobe a nwere n'oge Testament Ochie?
10. Gịnị bụ ụdị nke mkwádobe a nwere n'oge Testament Ọhụụ?